# KWUNKWUGHA NA MBEM ỌJA NDỊ IGBO

**Ihedigbo, Ruth Ebere[1]; Chukwudi-Emesirionye, Constance Ọdịmma[2] & Ezesinachi, Juliet Ngozika[3]**
**Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka[1,3]; National Institute for Nigerian Languages, Aba[2]**
ebere.ihedigbo@unn.edu.ng; odimmaconstance@gmail.com; ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng

## Ụmị
Kwunkwugha bụ otu ụzọ ọkpọabụ maọbụ onye ngosi si ezipụta nka ekerekeuche ya, nke na-eweta mma pụrụ iche n'ahịrị ọbụla e webatara. Nchọcha a lebara anya n'ụdị kwunkwugha pụtara ihe na mbem Ozurumba TV nke ha tinyere n'ama ozi ha na *Youtube*. Nchọcha a bụ nchọcha nke kwọlitativu, bụ nke a kpachara anya họrọ otu mbem, bụ ebe nchọcha a siri na ya nweta njiatụle. A tụlechara mbem dị iche iche a hụrụ n'ama ozi Youtube ma were nke a n'ihi na ọ bụ ya ga-enye aka izipụta mbụnuche nchọcha a. Mbụnuche nchọcha a bụ ịchọpụtacha ụdị kwunkwugha ndị ọma mbem nwere ike iwebata na mbem ha na-ama. E ji atụtụ ọdịdị nyochaa njiatụle. A chọpụtara na ụdị kwunkwugha atọ dịka Okebalama (2003) depụtara nke gụnyere: kwunkwugha kempaghara ahịrịokwu, kwunkwugha mmeju, na kwunkwugha nghọta pụtachara ihe na mbem Ozurumba TV nke a kpọrọ Ọja Ndị Igbo.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Mbem, Kwunkwugha na Ntụrụndụ

## Abstract
Parallelism is one of the ways through which a poet or a performer shows his/her creativity. This highlights the aesthetics of poetic lines. This study examines the different types of parallelism in the Ozurumba TV chant, as seen on their YouTube channel. This research is qualitative, and a purposive sampling technique was used to select a chant from among others, which served as the data for the analysis. After a thorough review of some chants on YouTube, this chant was selected because it serves the purpose of this research. The aim of this research is to ascertain the types of parallelism chant artists employ in their chants. Structural theory was used in data analysis. The findings show that three types of parallelism identified by Okebalama (2003), which include: structural parallelism, complementary parallelism, and syntactic parallelism, all featured in the Ozurumba TV chant called Ọja Ndị Igbo.

## Mkpọlite
Ndị Igbo bụ ndị na-esi n'agụmagụ dị iche iche egosipụta maọbụ ekwupụta ebumnuche ha. Ụzọ ndị ahụ gụnyere akụkọ, ejije na abụ. Agụmagụ ndị Igbo dị ụzọ abụọ - ederede na ekwurunọnụ. Agụmagu ekwurunọnụ maọbụ ọdịnaala bụ nke malitere mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. Agụmagụ ọnụ a na-adị ụdị atọ. Ha bụ akukọ, ejije na abụ. Mbem bụ otu ụzọ e si ezipụta abụ ọnụ Igbo, ndị ọzọ gụnyere uri na mkpọku (Okebalama, 2003). Mbem na-adị n'ụdị abụ mana ọ naghị agbasocha usoro niile abụ na-agbaso. Onye na-ama mbem ka a na-akpọ ọmambem. Mbem bụ ụdị abụ a na-ekwupụta n'ọnụ. Mgbe ụfọdụ, a na-eji ngwa egwu eso ya. Ngwa egwu dịka ọja, ekwe, ọsha dgz. E nwekwara ike jiri egwu a na-agba agba, otu onye a na-ama mbem. E nwere mbem e ji eme ihe dị iche iche. E nwere mbem mmọnwụ, mbem akwamozu, mbem idozi obodo nke e ji akpọpụtasị ihe na-eme n'obodo, mbem akụkọ nke e ji akọ akụkọ mere mgbe gara aga (nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ), ma nke e ji akọpụta ihe na-eme n'ezinaụlọ, aha obodo ha, aha nnanna ha.

Mbem bụ ihe dị mbụ dịrị n'ala Igbo ma bụrụ otu n'ime ụzọ ndị Igbo si egosipụta omenaala ha. Ndị na-ama mbem bụ ndị nwere nka ya nke nwere ike ịbụ ọnatarachi maọbụ nke a mụrụ amụ. Onye na-ama mbem ga-abụ onye maara ntọala, onye ma ilu na akpaalaokwu nke ọma, maka na mbem jupụtara n'ilu na akpaalaokwu. Mbem nwere ike bụrụ nke ngosi otu onye, ya bụ nke otu onye nwere ike ịma. Maọbụ nke òtù, ya bụ nke mmadụ abụọ maọbụ karịa na-ama. Mbem nwekwara ike bụrụ nke ọdịnaala maọbụ nke ọgbara ọhụrụ. Mbem bara ezigbo uru maka oke ọrụ ọ na-arụ dịka: nkụzi, ọgwụgwọ ọrịa, na obi aṅụrị. A na-enwekwa ụdị mbem dị iche iche; o nwere ike ịbụ nke nchụaja maọbụ nke ntụrụndụ.

Mbem nchọcha a na-eleba anya na ya bụ mbem dịka ihe ntụrụndụ. Ntụrụndụ bụ emereme ọbụla na-enye obi ụtọ. Zill na Bryant (1994) kọwara ntụrụndụ dịka emereme ọbụla na-akpali mmụọ ma na-enye obi ụtọ. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ọ na akuzi ma wepụtakwa ụba ndị. Ihe niile nọ na ntụrụndụ bụ mkporindụ nke na-eweta obi ọma na oke ọṅụ na ndụ ndị ahụ na-ekpori ndụ. Mkporindụ ahụ bụ nke nwere ike inye ndị ahụ ahụike na ọgwụgwọ ọrịa dịka ha na-achị ọchị gbasara ihe ntụrụndụ ahụ a na-ezipụtara ha. Dịka a maara, ọnụ ọchị ịwa mmadụ na-adị mma n'ahụ ma na-enyekwa ogologo ndụ na ahụike. Mbem ntụrụndụ a na-eleba anya na nchọcha a bụ nke ndị Ozurumba TV wepụtara n'ama ozi ha na Youtube. Na mbem a nke ha kpọrọ "Ogbuọja Ndị Igbo Mbem" a ga-eleba anya n'ụdị kwunkwugha ọmambem webatara na mbem ya.

Kwunkwugha bụ nkwugharị a na-ekwugharị ahịrịokwu nke otu mpaghara ha na-agbanwe ugboro ugboro dịka o si metụta nka ọkpọabụ maọbụ ọmambem. Cuddon (1991) kọwara kwunkwugha dịka nkebiokwu maọbụ ahịrịokwu yiri onwe ha n'ọdịdị na nghọta nke e dewere n'akụkụ onwe ha ma na-enyere onwe ha aka n'iwepụta nghọta. N'asụsụ Igbo, e nwere ụzọ kwunkwugha anọ. Kwunkwugha kempaghara ahịrịokwu, kwunkwugha mmeju maọbụ nke e nwekwara ike ịkpọ kwunkwugha mkpị, kwunkwugha nghọta na kwunkwugha ndokọ (Okebalama, 2003). Ụdị kwunkwugha ndị a niile bụcha ụdị kwunkwugha e nwere n'asụsụ Igbo mana ndị a hụrụ na njiatule bụ kwunkwugha atọ. A ga-ewepụta kwunkwugha ndị a na ebe ha juru na mbem a e jiri mee njiatụle.

Nchọcha a bụ nchọcha kwọlitetivu. Otu mbem ka e ji mee nchọcha a bụ nke e wetara site n'ọtụtụ mbem ndị juru n'ikuku na ọtụtụ ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ gbasara mbem. Njiatụle bụ nke e gechara ma depụta n'olundi ahụ ọ dị na ya ma tụgharịa ya n'Igbo izugbe. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ọdịdị nke na-arụtụ aka n'ọdịdị agụmagụ. Ihe mere e jiri were atụtụ a mee nchọcha a bụ maka na ọ kacha adaba n'isiokwu nchọcha a nke bụ nnyocha kwunkwugha na mbem Ọja ndị Igbo.

**Ntụleghari̩ Agụmagụ**

N'ebe a, a tụlegharịrị ihe ndị e merela yitụrụ nke e ji n'aka ugbua site n'ịgbado ụkwụ n'ihe ndị a: Mpụtara okwu ụfọdụ, atụtụ na nchọcha ndị e merela.

**Mpụtara okwu ụfọdụ**

N'ebe a, a na-eleba anya na mpụtara okwu ndị a: mbem, kwunkwugha na ntụrụndụ

**Mbem**

Ndị Igbo dịka mba ndị ọzọ bụ ndị e ji omenaala ha mara. Mbem bụ otu n'ime njirimara ndị Igbo bụ nke dabanyere n'agụmagụ ọnụ Igbo. N'agụmagụ ọnụ Igbo, ọkachasị abụ, e nwere uri, abụ na mbem. Mbem bụ ụdị abụ ọnụ na-akpali mmụọ ndị ngere, nke ọmambem nwere ike iwebata ngwa

egwu dị iche iche dịka mmasị ya siri dị mgbe ọ na-ama mbem. Ọ bụghịkwanụ iwu na ọmambem ga-ewebatarịrị ngwa egwu mgbe ọ na-ama mbem.

**Kwunkwugha**

Kwunkwugha bụ otu n'ime nka na-apụta ihe n'abụ ọnụ Igbo. Ọ na-ewepụta nkamma dị n'abụ ọnụ. Abrams (1999) kọwara kwunkwugha dịka okwu yiri onwe ha n'ọdịdị n'usorookwu. Baldick (2015) n'aka nke ha hụrụ kwunkwugha dịka ngwaokwu e ji achịkọta mkpụrụokwu ole na ole maọbụ nkebiahịrị nke nwere otu nghọta na otu ọdịdị nke a na-ahụ ka nka okwu. Otu ihe nkọwa ndị a na-arụtụ aka bụ na kwunkwugha bụ okwu ndị yiri onwe ha na-abịakọta ọnụ n'otu oge nke na-ewepụta nghọta ibe ha.

**Ntụrụndụ**

Ntụrụndụ bụ otu ihe a na-ahụ n'emereme nke na-enye obi aṅụrị. Bates na Ferri (2010) kwuru na ntụrụndụ bụ mkparịtaụka dị n'etiti okwuu na ndị ngere maọbụ ndị nkiri nke isi sekpụ ntị na ya bụ mkporindụ. Kotler na Scheff (1997) n'aka nke ha hụrụ ntụrụndụ dịka ihe nrite ndị ngere/nkiri nke òtù haziri, kpakọ ọnụ ma zipụta. Ha na-arụtụkwa aka na o nwere ihe oke nrite dị ya na-enye afọ ojuju. Nkọwa niile ha nyere rụtụrụ aka n'otu ihe. Otu ihe ahụ bụ oke uru ntụrụndụ bara na ndụ ndị na-egere maọbụ ndị na-ekiri emereme.

**Nchọcha E Merela n'Isiokwu**

Jukka (2017) mere nchọcha gbasara abụ ọnụ ndị Finnic kwunkwugha n'abụ ọnụ ndị Finnic. O ji ajụjụ ọnụ nweta njiatụle ya. Na nchọcha ya, ọ chọpụtara na abụ ọnụ ndị Finnic bụ nke jupụtara na kwunkwugha nke na-enweghi ka a ga-esi hazigharịa ya bụ abụ ghara itinye ya kwunkwugha. Nchọcha a na nke anyị yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ na-atụlegharị kwunkwugha. Mana ihe dị iche n'ime ha bụ ụdị abụ ha na-enyocha na ndị nwe ha. Nke ya na-enyocha abụ ọnụ ndị obodo Finnic ebe nchọcha nke anyị tụlegharịrị mbem Igbo nke ndị ozurumba TV tinyere n'ama ozi ha.

Nnamdị-Erucha (2020) na nchocha ya ọ kpọrọ *"A stylistic analysis of Igbo oral poems"* ya bụ, nnyocha akanka abụ ọnụ Igbo, nyochara abụ ọnụ Igbo asatọ. Mbunuche ya kpọmkwem bụ izipụta akanka ndị na-apụta ihe n'abụ ọnụ Igbo. Ọ gbara ajụjụ ọnụ were nweta njiatụle, ma chọpụta na ngwa dịka kwunkwukwa, atụmatụ okwu, kwunkwugha na ndị ọzọ jupụtara n'abụ ọnụ Igbo ma bụrụ nke ndị na-akpọ abụ na ndị ngosi ji achọ abụ ọnụ mma. Nchọcha a na nke anyị yiri onwe ha maka ihe ha na-ekwu maka ya bụ abụ ọnụ Igbo. Mana ihe dị iche bụ na nke a bụ abụ ọnụ nkịtị ebe nke anyị ji n'aka bụ mbem kpọmkwem. Ihe ọzọ dị iche bụ na nke a na-ekwu maka nkamma niile pụtara ihe n'abụ ndị ahụ, ebe nke anyị ji n'aka na-ekwu maka naanị ụdị kwunkwugha niile pụtara ihe na mbem anyị ji n'aka.

Ihedigbo (2017) mere nchọcha na ndịna na akanka abụ ọṅụ nwa Igbo. Mbunuche nchọcha ya bụ: Ịchọpụta ndịna ndị na aputa ihe n'abụ ọṅụ nwa Igbo ya na ịchọpụta akanka ndị mebere ya. O ji ajụjụ ọnụ na usoro nnọnye nlere nweta njiatule ya. Nchọcha ya gbadoro ukwu na steeti ise mebere ala Igbo bụ. Anambra, Enugu, Abia, Imo na Ebonyi. Ka ọ fuchachara njiatule, ọ chọpụtara na e nwere ndịna dị ka okwu nrụ ntị, nwa na-esi n'aka chukwu, nwa na-enye nwaanyị oche n'ụlọ dị ya na ndị ọzọ. Ọ chọpụtakwara na a na-enwe ụdị nkwee di iche iche dị ka nkweghạrị otu ahịrịokwu, nkweghạrị mgbanwe ahịrịokwu na nkweghạrị ihe ọgụụ gụpụtara dị ka o si gụpụta ya. Nchọcha anyị na nke Ihedigbo (2017) yiwere n'ihi na ha abụọ na-eleba anya na ntụcha abụ mana ndịiche dị na ha bụ na ebe Ihedigbo (2017) lebara anya na ndịna na akanka abụ

ọṅụ nwa n'ala Igbo, nchọcha a na-eleba anya na kwunkwukwa na mbem ọja ndị Igbo nke e gosiputara n'ozurumba TV.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ ọdịdị bụ atụtụ na-eleba anya ka odee maọbụ ọkpọabụ siri hazie mkpụrụokwu na ahịrịokwu ya n'agụmagụ ya. Atụtụ a na-agbado ụkwụ n'inyocha ọdịdị agụmagụ. Ndị bu atụtụ ọdịdị n'isi gụnyere: Boris Eichenbaun, Victor Shlovsky na Roman Jakobson (Abrams & Harpham, 2012). Akaeze, Abọh na Ugwuoke (2021) kwuru na atụtụ ọdịdị anaghị anabata mmekọrịta na-adị n'etiti agụmagụ na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ dịka ọmụmụ ụbụrụ na ọmụmụ obodo. Ha gara n'ihu kwuo na atụtụ ọdịdị anaghị ewebata ihe gbasara obodo, akụkọala, ndọrọ ndọrọ ọchịchị maọbụ nsirihụ ụwa na ntụcha agụmagụ. Kama, ihe bụ isi nnyocha ya bụ ngwa agụmagụ na nkamma dị n'ọrụ agụmagụ. Ha kwukwara na atụtụ ọdịdị na-enyocha ọrụ agụmagụ iji hụ ma ọ gbasoro usoro a na-agbaso ede ụdị agụmagụ ahụ. Atụtụ a bụ atụtụ dabara nke ọma na nchọcha a maka na isiokwu nchọcha a hiwere isi na kwunkwugha bụ nke pụtara ihe n'ọdịdị mbem.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nchọcha nke nchọcha a gbasoro bụ usoro sọvee. Ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ n'abụ ọnụ Igbo. Abụ Igbo nke a na-atụcha kpọmkwem bụ abụ a kpọrọ mbem ọja ndị Igbo. E siri n'ọwa ozi *Youtube* wee were rekọda sere olu ndị mbem a. Ndị ọchacha gegharịrị mbem ahụ ugboro ugboro ma deputa ya n'akwụkwọ dị ka e si geta ya. E jiri atụtụ ọdịdị wee tụchaa njiatule. Ihe kpatara e ji họrọ mbem ọja ndị Igbo site n'abụ ndị ọzọ niile dị na *Youtube* bụ n'ihi na ọ bụ mbem a ga-enyere anyị aka ichọpụta mbunuche nchọcha anyị.

**Ntụcha Njiatụle**

N'ebe a, a na-enyocha kwunkwugha dị iche iche pụtara ihe na mbem Uzurumba TV tinyere n'ama ozi ha na *yotube*. Kwunkwugha ndị ahụ bụ: kwunkwugha kempaghara ahịrịokwu, kwunkwugha mmeju, kwunkwugha ndokọ na kwunkwugha nghọta.

Kwunkwugha bụ ọnọdụ a na-ahụ okwu yiri onwe ha, ma nọdebe onwe ha nso nke a na-ahụ dịka ụzọ ọkpọabụ maọbụ onye ngosi si ezipụta ekereuche ya. Njirimara kwunkwugha bụ na otu akụkụ ahịrị ka a na-ekwu ugboro ugboro. Ihe ọzọ kwa bụ na kwunkwukwa na-ezipụtakarị otu echiche. Lee ụdị kwunkwugha e nwere na ebe dị iche iche ha pụtara ihe na mbem e jiri mee njiatụle.

1. **Kwunkwugha Kempaghara ahịrịokwu**

Kwunkwugha kempagahara ahịrịokwu bụ kwunkwugha ahụ na-apụta ihe mgbe e nwere mgbanwe n'otu mpaghara ahịrịokwu ndị yiri onwe ha na mbem, abụ maọbụ egwu. Ụdị kwunkwugha a pụtara ihe n'ahịrị mbem ndị a:

Ízù àhìà mbèle mù ná chìm..…………………..……………………...…………………... 2
Áhía mbèle mù na chì m ………………………………………..…………………….. 3

Ákwáèjè ná-áwā m áfọ……………………………………………………………...…… 5
Ákwá Ìgbì kà m na-èbèkwènù ……………………………………….…………… 6

Ányì gbásàrà kà mkpụrụ ụkpákā……………………………………………………..… 12

Méwé ómúmé kà mkpụrụ ụkpákā …………………………………………………………… 13

Ò bụ ákpọnye ède ……………………………………………………..………………… 100
Àkpọnyèkwúó èdè kà yà jụọ ……………………………………………...…………… 101

Ónyé árā áwárịá nì m óoóó……………………………………………......……..… 106
Ónyé árā áwárịá nì íhé m óoóó ……………………………….………………......……… 107
Ónyé árā ézùònì nné óhí óoóó ………………………………………………………...…. 108

Nwáányị tíé hápụzíenụ yà nà íhé ọ bụ ábagóóoóó ………..……………………….....… 118
Íhé ọ bụ ábagó óoóó………………………………..………………..…......…… 119

Ọ gbárá m n'úché …………………………………………………………………………. 124
Ọ gbárá m n'ọnụ………………………………………………………….………...... 125

- ❖ Na ngwụcha ahịrịabụ nke 2 na 3, a hụrụ "Mụ na chi m" bụ nke mechiri ahịrịabụ abụọ ndị ahụ. Nke a na-egosi na ahịrịabụ abụọ ndị ahụ nwere kwunkwugha ahịrịokwu.
- ❖ N'ahịrịabụ nke 5 na 6, e kwugharịrị "Akwa" na mmalite ahịrịabụ ha.
- ❖ Na nke 12 na 13, e kwugharịrị ngwụcha ha, bụ: "Ka mkpụrụ ụkpaka"
- ❖ N'ahịrịabụ nke 100 na 101, a ga-ahụ "akpọnye ede. Akpọnyekwuo ede" n'ahịrịabụ abụọ ahụ.
- ❖ Na nke 106, 107 na 108, a ga-ahụ "Onyeara". A bịakwa na ngwụcha nke 107 na 108, a ga-ahụ "m ooo"
- ❖ Na ngwụcha ahịrịabụ nke 118 na 119, a ga-ahụ "ihe ọ bụ abago ooo"
- ❖ Na mmalite ahịrịabụ nke 124 na 125, a ga-ahụ: "Ọ gbara m na"

**2. Kwunkwugha mmeju/mmaju echiche**

Kwunkwugha mmeju bụ kwunkwgha na-adị na mkpị na mkpị. Na ya, nghọta ahịrị nke mbụ agaghị ezu oke belụsọ ma a gụpụtara nke na-esote ya.

Ụdị kwunkwugha a pụtara ihe n'ahịrị mbem ndị a:

Ìgbò bụ Ígbò ò rúgó mgbè m jì èkwú ókwú ḿmánwụ…………………………………… 7
Nà ó rúólā mgbè m jì étipù ḿmánwụ ísí………………………………………………… 8
Ígbò bụ Ígbò kà m jụọ ………………….……………………………………...…… 15
Ónyé jéré mba anụ júrú àkpà……………………………………………………… 16
Ńdí ọ nà-ènyé, nyèkwàrà yà……………………………………………………… 17
Ọ kwá éziókwú? …………………………………………………………………… 18

Ọ márá úkwù ákwà ábụọ ………………………………………………………………… 27
Ọ ná-agá, ọ gáwará ónwé yá ……………………………………………………………. 28

Í mà nà nwaànyị à gàrà ọmụgwọ nwá yá na Légọsụ wéé garúó ………………………… 30
Nọọ yá ọnwá ábụọ nọchá ya kwadó ịlá…………………………………………………… 31

Ó ruo kà ọ ná-achọ ịlá……………………………………………………………………32
Mépé ébé à ná-édéwé ákwà lépụ ányá ……………………………………………. 33
Ńkpụchá weé kárịá………………………………………………………………… 34

Ákwà ahụ ị ná-atụ áká………………………………………………………………. 40
Ọ kwa ákwà ágbọghọ na-eyiri di ya má ọ lọta …………………………………… 41

Ọ sịwá nwáanyị íbè m únú ágághị àghọtá ……………………………..………… 87
Sívílịzàshọnụ àbịagó ……………………………………………….…….………… 88

- ❖ Ahịrịabụ nke 8 na-amaju echiche nọ na nke 7. “Igbo bụ Igbo, o rugo mgbe m ji ekwu okwu mmanwụ”. Kedụ ihe ọ na-ekwu maka mmanwụ? Ahịrị nke 8: “Na o rugo mgbe m ji etipụ mmanwụ isi”. Nke 8 majuru echiche dị na nke 7.
- ❖ Ahịrịabụ 16, 17 na 18 wepụtara nghọta dị n’ahịrịabụ nke 15. Nke 15 sị: “Igbo bụ Igbo ka m jụọ” nke 16 asị: “Onye jere mba anụ juru akpa” nke 17 asị: “Ndị ọ na-enye nyekwara ya” ahịrịabụ nke 18 wetaziri ya na njedebe mgbe ọ sịrị: “Ọ kwa eziokwu?”
- ❖ Ahịrịabụ nke 28 mejupụtara echiche nke 27. Nke 27 sị: Ọ mara ukwu abụọ” nke 28 asị: Ọ na-aga. ọ gawara onwe ya” Ahịrịabụ nke 31, 32, 33 na 34 mejupụtara echiche dị na nke 30. Nke 30 sị: “Ị ma na nwaanyị a gara ọmụgwọ nwa ya na Legọsụ wee garuo” nke 31 a sị: “Nọọ ya ọnwa abụọ nọcha ya kwado ịla” nke 32 a sị: “Ó ruo kà ọ ná-achọ ịlá”, nke 33 a sị: “Mépé ébé à ná-édéwé ákwà lépụ ányá”, nke 34 asị: “Nkpụcha wee karịa”.
- ❖ Ahịrịabụ nke 41 na-emejupụta nke 40. Nke 40 sị: “Akwa ahụ ị na-atụ aka”, ebe nke 41 mejuru echiche dị na ya. Ọ sị: “Ọ kwa akwa agbọghọ na-eyiri di ya ma ọ lọta”.
- ❖ Ahịrịabụ nke 88 mejupụtara echiche dị na 87. Nke 87 sị: “Ọ sịwa nwaanyị ibe m unu agaghị aghọta”, nke 88 asị: Sivilization abịago”

3. **Kwunkwugha nghọta**

Kwunkwugha nghọta bụ kwunkwugha ahụ na-eji ọtụtụ ahịrịokwu e kwuru n’ụzọ dị iche iche na-akọwa otu ihe. Ya bụ, ọkpọabụ nwere ike site n’ọtụtụ ahịrịokwu maọbụ ọzọ kọwapụta otu ihe o bu n’obi. O kwupụta ọtụtụ ihe, ihe ndị ahụ ga-akọwa otu ihe.

Ebe ụdị kwunkwugha a pụtara ihe na mbem a bụ n’ahịrị ndị a:

Ùgwù nwàanyì bụ úkwù ákwà ábụọ …………………………………………………… 25
Ùgwù nwáanyị ná-ákwányèrè dí yà……………………………………….……… 26

Ọ kwá ákwà àgbọghọ nà-èyírí dí yà má ọ lọtá ………………………………………… 41
Ákwà é jì émé āgbọghọbịà………………………………………………………………… 42

- ❖ Ahịrịabụ nke 25 na nke 26 na-ekwu otu ihe. Nke 25 sị: “Ùgwù nwàanyì bụ ukwu akwa abụọ”, nke 26 a sị: “Ugwu nwaanyị na-akwanyere di ya”. Ha abụọ na-ekwucha maka ukwu akwa abụọ ma na-egosi na ukwu akwa abụo bụ ugwu nwaanyị nọ na di.
- ❖ Ahịrịabụ nke 41 na nke 42 na-ekwu maka otu ihe, nke bụ “akwa mkpụchi”. Nke 41 sị: “Ọ kwa akwa agbọghọ na-eyiri di ya ma ọ lọta”. Nke 42 a sị: “Akwa e ji eme agbọghọbịa”.

Ahịrị abụo a na-akọwa na o nwere akwa puru iche nke nwaanyị nwere ike iyiri sọọsọ di ya bụ nke ga-eme ka di ya hụ ya dịka nwata nwaagbọghọbịa n'agbanyeghị afọ ole ọ gbara.

**Nchịkọta**

Mbem bụ otu n'ime ngalaba abụ ọnụ e nwere n'agụmagụ ọnụ Igbo, nke na-enye obi ụtọ ma na-akụziri ndị ngere ihe. Mbem Ogbuọja ndị Igbo wepụtara n'ọwa ozi ndị Ozurumba TV naYoutube bụ nke jupụtara na kwunkwugha dịka nka ọmambem. Ụdị kwunkwugha atọ n'ime kwunkwugha anọ dịka Okebalama (2003) tụpụtara, bụ nke pụtara ihe na mbem a. Nke a mere mbem a jiri pụọ iche. Sọọsọ kwunkwugha nke ndokọ bụ nke apụtaghị ihe na mbem a tụlere.

Nnyocha kwunkwugha na mbem a dị oke mkpa ugbua maka na mbem na-egosi nhụrụụwa ọmambem ma na-enye aka akwalite abụ olundị nke nọ n'agbata ọnwụ na ndụ ugbua. A na-atụpụta aro ka ndị nchọcha agụmagụ jisie ike na-enyocha abụ ọnụ, ọkachasị, mbem Igbo.

**Nrụmaka**


Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.) Boston: Wadsworth Cengage Learning.

Abrams, M. H. (1999). *A glossary of literary terms* (7th ed.). Boston: Heinle & Heinle

Akaeze, C. M., Abọh, S. C. & Ugwuoke, P. E. (2021). N*tọala ọdịnịigha Igbo ọlọrọọhụrụ.* Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Baldick, C. (2015). *Oxford Dictionary of Literary Terms.* New York: Oxford University Press.

Bates, S., & Ferri, A. J. (2010). What's entertainment? Notes toward a definition. *Studies in Popular Culture, 33*(1), 1–20.

Brown, P. (1998). Conversational structure and language acquisition: The role of repetition in Tzeltal adult and child speech. *Journal of Linguistic Anthropology*, *8*(2), 197-222.

Cuddon, J. A. (1991). *The Penguin dictionary of literary terms and literary theory*. Penguin: Blackwell Publishers.

Ihedigbo E. R. (2017). Theme and style of Igbo birth songs. Ph.D thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Jukka, S. (2017). Said a word, uttered thus: Structures ad functions of parallelism in Arhippa Perttunen's poems. *Center for Stusies in Oral Tradition*, *31*(2), 407-424.

Kotler, P., & Scheff, J. (1997). *Standing room only: Strategies for marketing the performing arts*. Boston, MA**:** Harvard Business School Press.

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N. & *et al* (2013). *Igbo adị Igbo-English English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Nsukka: University of Nigeria Press Limited.

Nnamdi, E.G.I. (2020). A stylistic analysis of selected Igbo oral poems. *Journal of Arts and Literature,* 1(5), 10-22.

Okebalama, C. N. (2003), *Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snap Press Ltd.

Tarkka, L. (2017). Parallelism in verbal art and performance: An introduction. *Oral Tradition*, *31*(2), 203-232.

Wikipedia. (2025). *Parallelism (rhetoric)*. In *Wikipedia*. Retrieved from https://en.wikipedia.org/wiki/Parallelism_(rhetoric)

Zillmann, D., & Bryant, J. (1994). Entertainment as media effect. In J. Bryant & D. Zillmann (Eds.), *Media effects: Advances in theory and research* (pp. 437–461). Hillsdale, NJ: Lawrence Erlbaum Associates.

## Mgbakwunye

### Mbem n'olundị

Kooo ko ko ko ko ko kooooooo
Ụza ahịa mbene mụ na chi mmmm
Ahịa mbele mụ na chi mmmmm
Mba anyị ọ kwa akwa ka m na-ebere onwe m
Akwa ejeghi abịadị m n'ava
Akwa Igbo ka m na-ebekwe ni
Igbo bụ Igbo nao rugo mgbe m ji ekwu okwu mmọnwụ
Na o rugo mgbe m ji etikwo mmanwụ isi
Maka na eziokwu o tego o mewere Dike ife ya na-emezi m ife

Ọmụta ọkarịa ndị Igbo akarizi
Anyị gbasara ka mkpụrụ ụkpaka
Mewe omume ka mkpụrụ ụkpaka
Ọkwa ajọ ive
Igbo bụ Igbo ka m jụkene
Onye jere mba anụ juru akpa
Ndị ọ na-enye nyekọrọ ya ọ kwa eziokwu?
Ma onye jere mba gbara ọtọ lọta
Ọ kaa mma ka m jụọ ajụọ Igbo be anyị ka m jụkene
Igbo n'eziokwu ife dị mma na anya bụkwanụ nwanne

Ngwa ka m kọọrọ unu akụkọ
Ọ daa adị mma ogori nne nwaanyị tụchaa ime o yiwekwa kpannkpụcha
Maka na eziokwu
Ugwu nwaanyị wụụ ukwu akwa naabọ
Ọ ma machie nta na keọma wụrụ ive mere eme
Ugwu nwaanyị na-akwanyere di ya
Ọ mara ukwu akwa naabọ
N'agada ọ gawara onwe ya
Mana eya m akọrọ unu akụkọ
Ị mana nwaanyị a Agụrụ jere ọmụgwọ nwa ya na Legọsụ wee jeruwe
Nọwị ya ọnwa naabọ nọcha kwadobe ịna

O ruo ka ọ na-achọ ịna
Mepe ebe a na-edebe akwa nefuo anya
Nkpụcha wee karịa
Oyibo kpọrọ ya mini gown
Nkpụchafụ karịa akarịa
Ọ kpọ nwa ya Chinyere nwa m
Eye m eji ofu nkpụcha wee naa
Nwaanyị kpọba ya Nne eeeee
Akwa afụ ị na-atụ aka
Ọ kwa akwa agbọghọbịa na-eyiri di ye ma ọ nata
Akwa e ji eme agbọghọbịa
Unu ma ife nwaanyị Agụrụ zara nwa ya?
Ọ kpọọ ya Chinyere nwa m shị: Ụka Nna gị anaghị ajụ ese?
I che na m akago?
M rukwanụ moto naa ka m je jee Abụja
Fe ejibe ya
Ọnwụ na-egbu nkịta, ọ na-ekwekwanụ nkịta nụ ishi nsị?
Ka m mara amara
Igbo ka m jukene
Ihe erie Odogwu n'ezi
Nwaanyịbilie ka ọ nawa
Jee n'ebe a na-edebe akwa koro ovu nkpụcha tii n'akpa naara onwe ya
E jibenụ ya
Nya ka o jere nataruo chi mbọshị ahọ
Chi mbọshị oyie were huo
Ọ natara mbọshi oyie
Chi ahọkwuo
Ọ shị ụmụashị vụrụede dooreya n'ụkpa
Ni ya ga-agbakwa aka avịa
Ha were jee vụva ede vụjuore ya ụkpa
Ọ bashie ụlọ ka o jee wee kwado
Nke afụ o jere ka ọ kwado
Ọ saba ahụ wee sacha
Wee yive nkpụcha
O vuru ụzọ yikwasa shimi
Shimi maa ova
O wee yikwasa ya nkpụcha
Nkpụcha bee ebe nwe, shimi gafere oke
O tie: eh eh nya!
Ejighi shimi eyi nke nwa
Ọ kpụrụ shimi wee dọta
Chevujie na-eji eyi abanteweru kpuchie odogwu
Wee kpuchie ya bụ esekenperi
O binizie ka o jebe ahọ
Ụbọchị ahọ ị go akwụ o mere njaka
Binie aka vuru ụkpa wee doo n'isi

Geekwa ntị nkpụcha berughu n'ikpere ka o jere wonyie aka elu
Ọ gbagote na mpara
Nke ọ na-eje eje akwụ ahụrụ ahụ ije akwụ o mere myaka
Akwọ dịchiri ezi
Ogori nne nwaanyị vụ ya n'ụzọ
Ọgbụọja na-egbu ana m anụ ya bụ ive
Ogori nne nwaanyị zụ ya n'ụzọ kpọọ ya Nne Chinyere
Ọ bụ nke ịgbazi ọtọ wee jee avịa
Unu ọma ife ọ na-aza?
Ajụọ ya nke ịgba ọtọ eje avịa
Ọ sịba nwaanyị ibe m unu aghị aghọta
Sivilizashionụ abịago
Igbo sivilization ka m na-ahịa na o mego m ive
Ọkwa ya ka o ji ruo ahọigo akwụo mere njaka
Kewe pawụda kecha
Hunatazie ka ọ kpọsa ede
Ife a na-eyiri akwa wee gbaa n'ama
O nwere onye ara a na-akpọ Ogbuọgaranya n'Agụrụ mgbe gboo
Unu ma na nwaanyị dọnọ ala na bee ndị ara
Ọ kwa agbakụrụ evuru ka m jụọ ndị be anyị
Ka a na-ekwu, Ogbuọgaranya enetia anya ọ na-adị ya ka akụmmiri igwe
O tiee eh eh nya! Agụrụ be anyị
Ọ bụ akpọịnụede
Akpọịkwuo ede ka ya jụọ
Ka a na-ekwu eteke aka ọ kwara nwaanyị dota n'ala nawa ịda
Nwaanyị bu gbọwa
Ọkwọaja ana m anụ
Nwaanyị tibe mkpu
Onye ara awarịa nị m ooooo
Onye ara awarịa nị ive m ooooo
Onye ara ezuoni nne ori
Ndị nụrụ ka a na-eti onye ara
Ma ndị 2 by 2 maka ọ bụ avịa oshishi
Ndị vu okpokpo abịa ka a kụgbuo onye ara
Aka a na-eru ọ bụrụ na Ogbuọgaranya ejeruole nke a na-eje eje
Nwaanyị tigharịa mkpu
Igbo jụkene m ife o tiri na mkpu
Mgbe anyị na-ejere bịaruo
Ọ bụrụ na arụ ite akarịala arụ mmiri
Ụtọ akịdị karịa nke ọka
Nwaanyị tie na rafuzieni ye na ive nwa abago ooo
Ife nwa abago oooo
Igbo bụ Igbo nankpụcha emego m ive
Nwaanyị kụshịrịnị ya kwụshị nkpụcha
Ogbuọja ndị Igbo ka m nọtabakwakene
Ka m were ịka kwadobe maka na ọ na-abịa m n'isi

Ọ gbaa m n'uche
Ọ gbaa m n'ọnụ
Okwu dibe chi nga dibe chi
Ka m seribe okwu eseribe

**Igbo izugbe ya**

Kooo ko ko ko ko koooooo ………………………………………… 1
Ịzụ ahịa mbele mụ na chi m ………………………………………… 2
Ahịa mbele mụ na chị m ………………………………………… 3
Mba anyị ọ bụkwa akwa ka m na-ebere onwe m ………………………… 4
Akwa
Akwa Igbo ka m na-ebekwa nụ ………………………………………… 6
Igbo bụ Igbo o rugo mgbe m ji ekwu okwu mmanwụ……………………… 7
Na o ruola mgbe m ji etipu mmanwụ isi………………………………… 8
Mana eziokwu ………………………………………… 9
O teela o mewere Dike ihe na-emezi m ihe……………………………… 10
Ọ mụta ọ karịa ndị Igbo akarịala…………………………………… 11
Anyị gbasara ka mkpụrụ ụgba ………………………………………… 12
Mewe omume ka mkpụrụ ụgba ………………………………………… 13
Ọ bụkwa ajọ ihe ………………………………………… 14
Igbo bụ Igbo ka m jụọ ………………………………………… 15
Onye jere mba anụ juru akpa……………………………………… 16
Ndị ọ na-enye, nyekwara ya ………………………………………… 17
Ọ kwa eziokwu? ………………………………………… 18
Ma onye jere mba gbara ọtọ lọta ………………………………… 19
Ọ ka mma ka m jụọ ajụọ ndị be anyị ka m jugodi ………………… 20
Igbo n'eziokwu ihe dị mma na anya bụkwanụ nwanne……………… 21
Ngwa ka m kọọrọ unu akụkọ ………………………………………… 22
Ọ naghị adị mma nne nwaanyị tụcharala ime o yiwe nkpụcha……… 23
Maka na eziokwu ………………………………………… 24
Ugwu anyị bụ ukwu akwa abụọ ………………………………………… 25
Ugwu nwaanyị na-akwnyere di ya……………………………………… 26
Ọ mara ukwu akwa abụọ ………………………………………… 27
Ọ na-aga, ọ gawara onwe ya ………………………………………… 28
Mana aga m akọrọ unu akụkọ…………………………………………… 29
Ị ma na nwaanyị a gara ọmụgwọ nwa ya na Legọsụ wee garuo ………… 30
Nọọ ya ọnwa abụọ nọcha ya kwado ịla…………………………………… 31
O ruo ka ọ na-achọ ịla…………………………………………… 32
Mepe ebe a na-edewe akwa lepụ anya ………………………………… 33
Nkpụcha wee karịa…………………………………………… 34
Oyibo kpọrọ ya mini gown…………………………………………… 35
Nkpụcha karịrị akarị…………………………………………… 36
Ọ kpọ nwa ya: Chinyere nwa m…………………………………………… 37
Aga m eji otu nkpụcha laa…………………………………………… 38
Nwaanyị kpọwa ya: Nne eeee…………………………………………… 39

Akwa ahụ ị na-atụ aka …………………………………………………………………… 40
Ọ kwa akwa agbọghọ na-eyiri di ya ma ọ lọta …………………………………………… 41
Akwa e ji eme agbọghọbịa………………………………………………………………… 42
Unu ma ihe nwaanyị ahụ zara ya?…………………………………………………… 43
Ọ kpọọ ya Chinyere nwa m sị: Ọ maka na nna gị anaghị ajụ ese? ……………………… 44
I che na m akaala?………………………………………………………………………… 45
M burukwanụ moto ka m jee Abuja ……………………………………………………… 46
Ha ejiwe ya………………………………………………………………………………… 47
Ọnwụ na-egbu nkịta, ọ na-ekwekwanụ ya nụ isi nsị? ................................................... 48
Ka m mara amara……………………………………………………………………… 49
Igbo ka m jugodi……………………………………………………………………… 50
Ihe erie odogwu n'ezi a……………………………………………………………… 51
Nwaanyị bilie ka ọ lawa……………………………………………………………… 52
Gaa n'ebe a na-edewe akwa, koro otu nkpụcha tii n'akpa laara onwe ya……………….. 53
E jidenụ ya ……………………………………………………………………………… 54
Ya ka ọ larukwara ụbọchị ahụkwa……………………………………………………… 55
Chị ụbọchị orie wee bọọ ……………………………………………………………… 56
Ọ lọtara ụbọchị orie …………………………………………………………………… 57
Chi abọkwa ……………………………………………………………………………… 58
Ọ sị ụmụaka bụọra ya ede dọnyere ya n'ekete ………………………………………… 59
Na ya ga-agba aka ahịa ………………………………………………………………… 60
Ha aga bụwa ede bujuora ya ekete ……………………………………………………… 61
Ọ baa n'ime ụlọ ka o jee kwado ………………………………………………………… 62
Nke ahụ o jere ka ọ kwado ……………………………………………………………… 63
Ọ sachaa ahụ wee sacha ………………………………………………………………… 64
Wee yiwe nkpụcha ……………………………………………………………………… 65
O buruụzọ yikwasị shimi ………………………………………………………………… 66
Shimi maa ova …………………………………………………………………………… 67
O wee yikwasa ya nkpụcha ……………………………………………………………… 68
Nkpụcha abịa ebe a, shimi gafere oke …………………………………………………… 69
O tie: eh eh ya! …………………………………………………………………………… 70
Ị sị m eyile nke a? ………………………………………………………………………… 71
Ọ kpụrụ shimi desa ……………………………………………………………………… 72
Chefuzie na e ji eyi abante kpuchie odogwu …………………………………………… 73
Wee kpuchie ya bụ esekemperi ………………………………………………………… 74
O bilie ka ọ gawakwa ……………………………………………………………………75
Ụbọchị ahụ, ije ya abụrụ myaka ………………………………………………………… 76
Bilie were aka buru ekete bunye n'isi …………………………………………………… 77
Gekwa ntị, nkpụcha erughi n'ikpere ka o jere wellie aka elu …………………………… 78
Ọ gbagote n'apata ………………………………………………………………………… 79
Nke ọ na-aga ije ọbụrụ myaka …………………………………………………………… 80
Ogori nne nwaanyị hụ ya n'ụzọ ………………………………………………………… 81
Ogbuọja na-egbu ana ma anụ ya bụ ihe ………………………………………………… 82
Ogori nne nwaanyị hụ ya n'ụzọ kpọọ ya Nne Chinyere ……………………………… 83
Ọ bụ nke ịgbazi ọtọ aga ahịa …………………………………………………………… 84
Unu ma ihe ọ sara? ……………………………………………………………………… 85

A jụọ, nke ịgba ọtọ aga ahịa ………………………………………………………… 86
Ọ sịwa nwaanyị ibe m unu agaghị aghọta ……………………………………………… 87
Sivilịzashọnụ abịago ……………………………………………………………………… 88
Igbo sivilizashọnụ ka m na-arịa na o meela m ihe ……………………………………… 89
Ọ kwa ya ka o jiri ije mere myakata …………………………………………………... 90
Kewe pawụda kechaa……………………………………………………..……….. 91
Hulata ka ọ kpọsa ede………………………………………………………………… 92
Ihe a na-eyiri akwa agbaa n’ama ……………………………………………………… 93
E nwere otu onyeara a na-akpọ Ogbuọgaranya n’Agụrụ mgbe gboo ……………….…… 94
Unu ma na nwaanyị a nọ ọdụ n’ebe ndị ara nọ ……………………………………..… 95
Ọ kwa agbakụrụ eburu ka m jụọ ndị be anyị …………………………………………….. 96
Ka a na-ekwu, Ogbuọgaranya eletia anya ọ na-adị ya ka akụrụ mmiri igwe …………… 97
O tie: eh eh nya! ……………………………………………………………….……… 98
Agụrụ be anyị ………………………………………………………………….……… 99
Ọ bụ akpọnye ede……………………………………………………..…………… 100
Akpọnyekwuo ede ka ya jụọ ………………………………………………………….. 101
Ka a na-ekwute, Ọ kwara nwaanyị desa n’ala nawa ịda ……………………...…… 102
Nwaanyị ido kpọwa ……………………………………………………………….. 103
Ogbuọja anam anụ ……………………………………………………………… 104
Nwaanyị etiwe mkpu ………………………………………………………….… 105
Onyeara awarịanị m ooo ……………………………………………………… 106
Onyeara awarịanị ihe m ooo ………………………………………………… 107
Onyeara ezuoni nne ohi…………………………………..…………………... 108
Ndị nụrụ ka ọn na-eti onyeara …………………………..…………………… 109
Ndị bu 2by2 maka ọ bụ ahịa osisi ……………………………..……………… 110
Ndị bu okpokpo abịa ka a kugbuo onyeara ………………….…….………… 111
Ka a na-eru ọ bụrụ na Ogbuọgaranya agaruole nke a na-aga aga ….……………… 112
Nwaanyị tigharịa mkpu………………………………………………..…….. 113
Igbo jugodi m ihe o tiri na mkpu? …………………………………………... 114
Mgbe anyị na-agaruole ……………………………………..…….…… 115
Ọ bụrụ a ahụ ite akarịala ahụ mmiri………………………………...………… 116
Ụtọ akịdị karịa nke ọka ……………………………………………...…… 117
Nwaanyị tie: hapụzienụ ya na ihe ọ bụ abago ooo ……………………………...… 118
Ihe ọ bụ abago ooooo ………………………………………………………119
Igbo bụ Igbo nkpụcha emela m ihe ………………………...…………………120
Nwaanyị kwụsịnụ ya kwụsị nkpụcha …………………………...……………121
Ogbuọja ndị Igbo ka m lọta ……………………………………………...…… 122
Ka m were ugbu a kwadobe maka na ọ na-abịa m n’isi ……………….……... 123
Ọ gbaa m n’uche ……………………………………………………………… 124
Ọ gbaa m n’ọnụ ……………………………………………………...…… 125
Ka m seribe okwu eseribe ………………………………………………………